JOURNAL OF INDIGENOUS LANGUAGES

Jozac Publishers

Vol. 2, No. 1, 2024
**Website:** http://journals.jozacpublishers.com/jil
***Type of the Paper: (Article Paper)***

# Ekwumekwu na Ndụ Ndị Igbo: Amụmamụ Agwa Maazị Obijiọfọ n'Ụ*kpana Okpoko Buuru* T. U. Ubesie

**Charles Azubuike Nneke[1]***
[1]Igbo, African and Communication Studies Department, Faculty of Arts, Nnamdi Azikiwe University, Awka, Nigeria, ezeazubuike004@gmail.com / ca.nneke@unizik.edu.ng

Correspondence: ezeazubuike004@gmail.com

**Abstract:** The study delved into the oratory and rhetorics of Mr. Ọbijiọfọ in *Ụkpana Okpoko Buuru* as an ancient, and integral part of Igbo People's way of life. The objective of the study is to expose the corrupt practices in the present society, where falsehood has eaten deep into the fibre in the life of people, as way of promoting oratory and rhetorics as well as adding to the knowledge bank of this nature. The study is carried out in literature and in *Ụkpana Okpoko Buuru* as Igbo literary work. Other places where the data for the study were gathered from includes, library, internet, where views of other scholars about the key words in the topic were collected and reviewed. Marxism which anchored in the class division between peoples in their relationship is adopted for analysis of the study. The findings of the study revealed that oratory and rhetorics are very important because they are keys to unlock peoples' minds. It is also a two edged sword whose owner should handle with care as s/he is at the mercy of the people at the opposition camp, who want to find fault with s/he on the process of expressing the act of oratory and rhetorics. The orator makes enemy for himself or herself on the process of playing his or her role in the process of addressing the people. The study would be beneficial to the general public, mostly to the teachers, students, and would be researchers in oratory, character, and literature.

**Keywords:** Art, Character, Igbo, Literature, Oratory

## 1. Ụmịedemede

Edemede nchọcha a lebara anya n'ekwumekwu dị ka otu n'ime ọdịnala na usoro obibi ndụ dị ọkpụ na ndụ ndị Igbo. E si n'agwa Maazị Ọbijiọfọ gbaa mkpa ekwumekwu dị na ndụ mmadụ n'anwụ ma zipụta na mmadụ ịbụ ọkaokwu bara nnukwu uru. ọ kachasị mgbe ọkaokwu ji nka ekwumekwu ya eme ka e nwe ezi usoro obibi ndụ na ezi mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Ebumnuche e ji bagịde edemede a, bụ ka e si na ya gbaa ajọ ọnọdụ mpụ na ekwughi eziokwu nke buuru oche nọrọ n'etiti ụmụ mmadụ n'oge ugbu n'anwụ, iji kwalite agụgụ banyere ekwumekwu na ọnọdụ ọkaokwu na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ n'akwụkwọ agụmagụ ederede Igbo bụ *Ụkpana Okpoko Buuru* ka e mere nchọcha a. Ebe ndị ọzọ a gara nta nchọcha banyere ihe e dere n'edemede a, bụ n'ọbakwụkwọ na ọwa nzikọrịtaozi intaneti nke e si na ya chịkọba echiche ndị odee n'ụfọdụ okwu pụtara ihe n'isiokwu nchọcha a. Ọ bụ Atụtụ ke Otu nke na-ezipụta echiche ndọrọndọrọ n'etiti otu otu na ibe ya ka e ji tụchaa edemede a. Ihe a chọpụtara na nchọcha a gụnuryere na nka ekwumekwu bụ nke bara nnukwu uru, dị ka igodo e ji akpọghe obi mmadụ. Ọ bụ mma ihụ abụọ nke onye ji ya aghaghị ikere nkwụcha, mgbe q na-ekwu okwu. Ọkaokwu na-ebu iro ma bụrụ onye na-eze ndụ oge niile. Edemede nchọcha a ga-abara ọhaneze uru, n'ụzọ pụrụ iche, ọ ga-abara ndị nkụzi, ụmụakwụkwọ na ndị ga-eme nchọcha n'agwa, ekwumekwu na agụmagụ uru.

## 2. Okwu pụtara ihe: Ekwumekwu, Nka, Agwa, Agụmagụ na Igbo

### 2.1. Ndubata

Ekwumekwu nwere ọnọdụ pụrụ iche na mba ụwa dum. Ọ bụ okwu ọnụ ka e si ezipụta ọnọdụ, mkpa ma ọ bụ ihe na-agụ mmadụ na mmekọrịta ya na mmadụ ibe ya, site n'asụsụ e ji mara onye ma ọ bụ ndị ahụ. N'otu aka ahụ nka e ji ekwu okwu abụghị nke onye ọ bụla nwere, nke a mere na mmadụ ị bụ Ọkaokwu n'otu ma ọbụ obodo adịghị ofere. Okwu dị nka n'okwukwu, nke a mere na ndị Igbọ na-ekwu ụkwụ na-akpọ n'ọkpa na-akpọ n'ọnụ. Echiche a na-egosi na mmadụ nwere ike ikwuhie ọnụ n'otu ọnọdụ, n'otu oge ma ọ bụ ibe ya.

Ekwumekwu metụtara n'ụzọ pụrụ iche ebe onye na-ekwu okwu na onye ma ọ bụ ndị ọ na-agwa nọ. Nke a, mere na ndị Igbo kwuru n'okwu sị na ụkwụ jehie ụzọ, e mechaa ọ pụtakwa ma na ọnụ kwuhie okwu, onye kwuru okwu ahụ chefugodụ na onye ọ gwara agaghị echefu. Ndị Igbọ na-ekwu n'okwu asị na okwu e kwuru n'ọnụ bụ obi a hụrụ anya.

Ndị Igbo bụ ndị na-akwanyere ekwumekwu ugwu n'ụzọ pụrụ iche nke na ha na-asọpụrụ Ọkaokwu. Ọ bụ Ọkaokwu ka ọhaneze si n'ọnụ ya gosi ọñụ na mmasị ha nwere n'ebe ekwumekwu dị. Ndị Igb mara na asụsụ ha nke e ji ekwumekwu ezipụta dị asọ, nke a mere na onye bụ Ọkaokwu aghaghị ịbụ onye eziokwu. Ọ bụ ịkwụ n'eziokwu ahụ bụ otu njirimara Ọkaokwu Ala Igbo, mere na Ọkaokwu na-ebu agha ma na-eze ndụ, n'ihi na ndị ajọ mmadụ na-ahụ ya ka onye na agba ha mgba okpuru na onye na-aghanyere ha aja na garị.

N'edemede nchọcha a, e si na ya na-agba otu n'ime ọdịnala na usoro obibi ndụ dị ọkpụ na ndụ ndị Igbo bụ nka ekwumekwu n'anwụ. Akwụkwọ agụmagụ a gbadoro ụkwụ na ya wee dee edemede a bụ *Ụkpana Okpoko Buuru*. Odee ya bụ Tony Uchenna Ubesie si na ya zipụta mkpa ekwumekwu dị na ndụ mmadụ, nke o mere ka ọ pụta ihe n'agwa Maazị Ọbijiọfọ. O si n'agwa Maazị Ọbijiọfọ zipụta na mmadụ ịbụ ọkaokwu bara nnukwu uru, ọ kachasị mgbe ọkaokwu ahụ ji nka ikwu okwu eme ka e nwe ezi usoro obibi ndụ na ezi mmekọeịta mmadụ na ibe ya.

Ebumnuche e ji bagịde edemede a, bụ ka e si na ya gbaa ajọ ọnọdụ mpụ na ekwughi eziokwu nke buuru oche nọrọ n'etiti ụmụ mmadụ n'oge ugbu a n'anwụ. N'ụzọ pụrụ iche ka e si na ya kwalite ma bawanye agụgụ banyere ekwumekwu na ọnọdụ ọkaokwu na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ n'agụmagụ ka e mere nchọcha a, ma bụrụ n'akwụkwọ agụmagụ ederede Igbo bụ *Ụkpana Okpoko Buuru* ka e mere ya. Ebe ndị ọzọ a gara nta nchọcha banyere ihe e dere n'edemede a bụ n'ọbakwụkwọ na ọwa nzikọrịtaozi intaneti nke e si na ya chịkọba echiche ndị odee n'ụfọdụ okwu pụtara ihe n'isiokwu nchọcha a. Atụtụ e ji wee tụchaa edemede nchọcha a bụ Atụtụ ke Otu nke na-ezipụta echiche ndọrọndọrọ n'etiti otu otu na ibe ya.

E si na nchọcha a chọpụta na nka ekwumekwu bụ nke bara nnukwu uru, n'ihi na ọ bụ igodo e ji akpọghe echiche obi mmadụ. Ọ bụ mma ihụ abụọ nke onye ji ya onwechaghị ntụkwasịobi na ya, n'ihi na o nwere ike ịzọ onye ahụ ndụ ma ọ bụ meruo ya ahụ. Maka na o kwuo mma okwu, o kwuo njọ okwu. Ọkaokwu na-ebu iro ma bụrụ onye na-eze ndụ oge niile.

Edemede nchọcha a ga-abara ọhaneze uru. Ndị ọ ga-aba uru n'ụzọ pụrụ iche, gụnyere: ndị nkụzi maka na ha ga-esi na mmụta ha wetara na nchọcha a wee kụziere ụmụakwụkwọ. N'otu aka ahụ ụmụakwụkwọ ga-erita uru na nchọcha a, site n'ihe ndị nkụzị si na ya wee kụziere ha. N'ikpeazụn ndị ga-eme nchọcha n'ekwumekwu agwa na agụmagụ ga-erita kwa uru n'ihi na ọ ga-abụrụ ha ebe mgbado ụkwụ na nchọcha ha. Nke a, ga-eme ka mmụta banyere isiokwu nchọcha a bawanye.

### 2.2. Ntulegharị Agụmagụ

Atụtụ ke otu bụ otu n'ime atụtụ e ji atụcha agụmagụ nka, nke gbadoro ụkwụ n'ịchọpụta echiche mkpagbụ na ndọrọndọrọ n'etiti mmadụ na ibe ya ma ọ bụ n'etiti otu abụọ n'agụmagụ nka. Dobie (2012:84)mere ka a mata na "Atụtụ ke Otu" bụ otu n'ime atụtụ e ji atụcha agụmagụ nke na-eme ka ndị odeee na ndị ọgụụ nwe mmasị n'iji ya wee tụchaa agụmagụ. Ihe kachasị pụta ihe nke ọma n'atụtụ a, bụ echiche na atụtụ a abụghị nke na-arụ ọrụ dị ka atụtụ, kama na ọ bụ atụtụ e ji akọwa agụmagụ ga. Ka o siladị, e wubere ya dị ka echiche na-ezipụta mmekọrịta mmadụ na ibe, usoro nweta akụnụba, na ndọrọndọrọ ọchịchị, nke ga=enye aka n'ịgbanwe ụwa dị ka nkwenye onye gụzobere ya na ndị na-eso ya si wee dị. Ọ bụ nke a mere na ha na-ahụ ịkpaaoke n'usoro nweta akụnụba dị ka ihe na-enweta ọgbaghara.

"Atụtụ ke Otu" a malitere n'echiche Karl Marụ na-agbata 1818-1883). Nwamadị a bụ onye German ma bụrụ kwa onye ọka echiche na ọka n'amụma nweta akụnụba. Ọ bụ n'akwụkwọ a kpọrọ

"Echiche ke German" Ka Marụ nọ n'afọ 1845 na ọ bụ ndị na-arụpụta ihe na-agbazi obodo, ewumewu na nkwenye ha. Ọ bụ na ya ka ọ nọ kwuọ na akụkọala na-aga n'ihụ imepụta ka nwekọrịta dị n'etiti obodo laa ebe otu onye ya na ihe e ji emepụta akụnụba ga-enwere ọnọdụ. Ihe kachasị pụta nke ọma n'atụtụ ke otu a, bụ ndọrọndọrọ dị n'etiti otu nke ga-ebute ọgbaghara, nke ndị na-arụ ọrụ ga-eji merie ndị a na-arụru ọrụ. N'ụzọ dị etu a ha ewepụ usoro iweta akụnụba ịdị n'aka otu onye, ma nyefee ya n'aka ndị ọchịchị ka ihe niile wee na aga nke ọma. Ọ bụ n'afọ 1930, ka nsogbu a dapụtara ndị Amerịka banyere usoro nweta akụnụba ha, ka ndị odeee na ndị ọka na ntụcha agụmagụ site n'ihe na-eme n'obodo.

Abịa n'etiti ndị na-akwado atụtụ ke otu, ha anaghị ekwu banyere ihe nke mmụọ, kama na ọ bụ ihe ndị ahụ na-eme n'etiti mmadụ na ibe ya n'ụwa, na etu ihe na-eme n'ụwa si emetụta ndị nọ na ya. Ọtụtụ oge ndọrọndọrọ na-apụta n'etiti ndị nọ n'isi n'ụlọọrụ na ndị na-arụrụ ha ọrụ bụkwa atụtụ ke otu na-eleba anya na ya.

Atụtụ ke Otu na-akpa ike n'ihe banyere ichọpụta etu ndị odeee si ezipụta echiche mkpagbụ na ndọrọndọrọ n'agụmagụ nka ha. N'aka nke ọzọ, atụtụ ke Otu na-eri mperi n'ihe abụghị ịchọpụta echiche mkpagbụ na ndọrọndọrọ n'agụmagụ nka. A họọrọ atụtụ a iji tụchaa edemede a, n'ihi ọnọdụ nkewa na akpamoke ezipụtara n'etiti ndị obodọ na ndị odogwu. Ọ bụ n'ọnọdụ a ka agwa na ekwumekwu ji bụrụ isi sekpu ntị n'edemede nchọcha a.

### 2.3. Ekwumemkwu

Ekwumekwu bụ nke gbadoro ụkwụ n'ihe e kwuru n'ọnụ. Ekwumekwu nwere ọnọdụ dị elu na ndụ ndị Igbo. Ọ bụ nka e si na ya wee na-eleba anya n'ihe e kwuru n'ọnụ, nka a bụ otu n'ime ihe e ji maara ndị Igbo. Ekwumekwu na-eleba anya n'ihe banyere ịmata nka a na-ezipụta n'usoro obibi ndụ ndị Igbo, nke metụtara ịmata ebe, oge, ogọ na ọnọdụ e ji ezipụta ihe niile e kwuru n'ọnụ.

Ọ bụ n'ihi mkpa ekwumekwu dị na ndụ ndị Igbo mere na ha na-amalite n'oge akụzịrị ụmụ ntakịrị nka dị n'ekwumekwu. Nka ekwumekwu ahụ a na-akụzịrị ụmụaka Igbo banyere etu e si ekwu okwu nke gụnyere: akụkọifo, okwuntabire na gwam gwam. Ọ bụ nka ekwumekwu a mere na nwafọ Igbo kwesiri ịmụta etu e si ekwu okwu nke ọma, site iji ngwa ọdịnala Igbo dị ka atụmatụ okwu na atụmatụ agụmagụ wee na-achọ okwu ọnụ ya mma. Ọ bụ ọnọdụ ọ bụla na-eweta ihe a na-ekwu.

### 2.4. Nka

Nka dị n'okike an ekere. Ọ bụ echiche ime mmụọ nke na-agbazi etu ihe dị na etu ihe ga-adị. A bịa na nka dị n'okike, anyị hụ na ihe ọ bụla ịdị n'ụdị ya bụ nka n'onwe ya. Ndị Igbọ na-ekwu okwu asị na Chukwu kere nkịta waa ya eze, kee ọkụkọ pịaa ya ọnụ. Ihe ọ pụtara bụ na nka abụghị ihe ọhụụ, n'ihi na ọ malitere n'okike. Ihe ọzọ dị mkpa na nkọwa nka a, bụ na nka bụ ihe a na-ehi aka n'anya wee na-eme. Tutu onye ọrụnka amlite igosipụta nka ya, ọ ga-enwe ihe ọ bụ n'uche ọ chọrọ iji ụrọ, osisi ma ọ bụ igwe wee mepụta. Maka na nka a hụrụ n'ọrụnka ejighi aka ya dị na nke onwe ya.

N'ihi nke a, e lee anya na nkọwa nka, a ga-ahụ na ọ bụ mmadụ ịkpachara anya rụpụta ihe ọhụụ, nke a ghaghị ịhụ nka ya site n'ụdịdị ya. Ma ọ bụ mmadụ ịkpachara anya gbanwee ihe a maara etu ọ dịbu site n'ime ka ọ maa mma karịa ma ọ bụ jọọ njọ karịa ka ọ dịbu. Ọ bụ itinyetụ nnu n'ihe dịbu adị ka ụtọ ya wee pụta ihe ma ọ bụ mee ka nnu ghara ịtụ ya. Ihe ọ bụla e mere n'ụzọ abụọ a na-anabata mgbanwe e nwere ike ịhụ anya na nke e nweghi ike ịhụ anya.

Ọtụtụ mmadụ e kwuola ma depụta echiche ha banyere nka na ọrụnka. Otu onye n'ime ha bụ Aristotle (340 BC), onye hụrụ ọrụnka dị ka nṅomi n'ụzọ dị iche iche. Ọ gara n'ihụ kwuọ na egwu sitere na nṅomị nke ụda na ụtọ. Mana egwu na-eṅomi naanị uda, ebe abụ na-eṅomi asụsụ. Ọtụtụ mgbe ọrụnka na-akpalite echiche obi mmadụ, na-eme ka mmụọ ya, nkwenye ya, ma ọ bụ nsịrihụndụ onye ahụ. Ọrụ nka nwere ike ịkọwa onwe ya site n'ihe e ji maka ya mepụta ya ma ọ bụ na-akọwa onwe ya site n'oninyo ma ọ bụ ihe ọzọ. Ọ gara n'ihụ kwuọ na ihe dị iche na nka, na ọrụnka bụ naanị etu ndị mmadụ siri nabata ha na ndụ ha. Ọ bụ nke a mere e ji arụ ọrụnka ka ọ bụrụ ihe na-ezipụta echiche ndọrọndọrọ, ihe nke mmụọ, ma ọ bụ nsịrihụndụ sitere n'ọrụnka, ka e si na ya na-ezipụta nkamma. Si na ya leba anya n'etu e siri hụ okike, maka inwe aṅụrị ma ọ bụ inweta nnukwu mkpalite nke mmụọ.

Tolstoy (2015) mere ka a mata na ọrụnka bụ amụma ma ọ bụ ụgbọ e si akọwa ma ọ bụ ekwupụta mmụọ na echiche mmadụ. Ọ bụ ụzọ e si eme ma na-egosipụta mmasị n'ihe dị ka ọ si wee dị, ma ọ bụ ihe ọ na-anọchite anya ya. Ọrụ nka dị ka ihe nnọchite anya pụtara ihe nke ọma n'echiche Aristotle.

Kennedy na Gioia (2007: 1508). Ndị odeee abụọ a kwuru na ọrụnka na-enye mmadụ mmụta n'ụzọ pụrụ iche. Ha mere ka anyị mata na ihe mere ka ọnọdụ ọrụnka na ọkwa ya dị elu bụ na ihe niile e zipụtara n'usoro nka na-eme ka onye hụrụ ya na-echeta ya.

Ọrụnka bụ amụma isi n'ụzọ dị omimi wee na-agwa otu onye ma ọ bụ ndị mmadụ okwu. Heidegger (2015) kwuọ na ọrụnka bụ usoro ndị obodo si emepụta ihe n'ụdị nke ha maka nkọwa onwe ha. Dickie (2015) kọwara na ọrụnka bụ etu onye ma ọ bụ ndị tosiri etosi si eme ihe n'ọnọdụ ewumewu nke mmekọrịta mmadụ na ibe ya, nke a na-akpọ "Ụwa Nka". Wimsatt na Beardsley (2015) kwuọ na ihe a na-akọwa n'ọrụnka bụ ọrụnka n'onwe ya, na ọ bụghị ebumnuche onye ọrụnka nke anyị amaghị na nke agbasaghị anyị. Maka na mkpebi ihe mara mma kwesiri ka ọ bụrụ ihe a hụrụ n'ihe ahụ na nghọta nke anyị nyere ya n'agbanyeghi ihe onye ọrụnka bụ n'uche wee rụọ ya. Ọ bụ n'ihi echiche dị etu a ka ndị odee abụọ a jiri kwuọ na ọ bụ ihe a hụrụ n'ọrụnka bụ isi sekpu ntị, maka na iji ihe ọzọ wee kọwaa ya bụ inweta ihe mgbagọjuanya na ya. N'ihi ya na ọ bụ ihe metụtara onye na-ahụ ọrụnka na mmụọ ya bụ ụzọ kwesiri ekwesi na mkpebi ọrụnka.

Risatti (2015) n'edemede ya ọ ya ọ kpọrọ "Atụtụ Ọrụnka" –*A Theory of Craft*, nke ọ nọrọ zipụta ọnọdụ ya banyere uru ọrụnka bara. Ọ sị na echiche a chịkọbara nke ọma maka ihe banyere ọrụnka bụ ihe kwesiri ka e bulie ya elu. Nke a bụ onyinye pụrụ iche nyere amụmanụ ọgbasara ihe ọhụrụ banyere nka na ọrụnka dị ka usoro ndọnye ukwu nyere ya. Ọrụnka bara uru n'ihi na e si n'etu ọrụnka ahụ na-onye hụrụ ya si nwe mmekọrịta ihụ na ihụ nke ga-eme ka ọrụnka ahụ bawanye ọgụgụ isi onye ahụ. Ọ gara n'ihụ kwuọ na ihe mbụ ọrụnka ga-eme onye ahụ bụ ịkpalite mmụọ na echiche ya nke ga-eme ka ọrụnka ahụ bara ya uru. Omenchọcha nabatara ihe ndị mmadụ kwuru ma dee banyere nka na ọrụnka n'elu ebe a.

## 2.5. Agwa

Agwa bụ mmadụ, mmụọ na anụ na-eme ihe a na-akọ akụkọ banyere ya n'ụdị ejije ma ọ bụ iduuazị, site na ntọala ebe odeee chọrọ ka o zipụta na ya. Ọ bụ nke a mere na agwa e zipụtara ejije ma ọ bụ iduuazị aghaghị ịgbado ụkwụ na ntọala ebe akụkọ ahụ si. E nwere ụdị agwa abụọ pụtara ihe n'agụmagụ, ha bụ: agwa ndagharị na agwa larịị. Agwa ndagharị na-agbanwe dị ka akụkọ na-aga n'ihụ, ebe agwa larịị na-adị etu ọ dị na mmalite wee ruo ngwụcha. Agwa larịị na-abụkarị agwa ụmụaka, onye ọrịa na anụ, n'ihi nke a, ọ dịghị ihe pụrụ ihe ha na-eme ghara otu usoro obibi ndụ.

Ọtụtụ mmadụ na odeee ekwuola ma depụta echiche ha banyere agwa. Otu onye n'ime ha bụ Okodo (1992:6). Onye kọwara agwa dị ka nwoke ma ọ bụ nwanyị na-eme ihe dị iche iche n'akụkọ. Odee a gara n'ihụ kwuọ na agwa nwere ike ịbụ mmadụ ma ọ bụ ihe abụghị mmadụ. Na e kewara agwa ụzọ gụnyere agwa ndagharị na agwa larịị. Otu echiche a ka Nze (2005:6) zipụtara oge ọ sị na agwa bụ nwoke ma ọ bụ nwanyị a na-ezipụta n'ọrụnka nke ọ bụ odeee na-ekwu etu ha ga-esi wee bi ndụ. Ọ gara n'ihụ kwuọ na e kewara agwa ụzọ abụọ gụnyere: agwa ndagharị na agwa larịị, ma kwukwaa na o siri ike ịmata ihe agwa ndagharị nwere ike ime, n'ihi na ọ na-agbanwe dị ka ihe na-eme n'akụkọ na-agbanwe.
Ker (2003:6) n'aka nke ya sị na agwa na-eme ihe dị iche iche n'ejije, nke bụ emereme e si na ya akwalite mmekọrịta mmadụ na ibe ya. Kennedy and Gioia (2007:74) kọwara na agwa bụ okike si n'echiche obi odeee nke ọ bụ ya ka ihe mere n'akụkọ na-agba okirikiri n'ahụ ya.

Ifeagwazi (2009:125) mere ka a mata na a na-esi etu mmadụ si emeso ndị mmadụ omume n'ọnọdụ dị iche iche amata onye onye ahụ bụ. Ọ bụ agwa mmadụ mere onye ahụ ka ọ pụọ iche n'ebe ndị ọzọ nọ ma bụrụ nke ndị ọzọ ji wee mara ya. Ọ gara n'ihụ (ihụ:127) kwuọ na agwa mmadụ mejupụtara ihe ndị na-enyere ya aka ịhazị usoro obibi ndụ ya na mpaghara ebe obi.

## 2.6. Agụmagụ

Agụmagụ bụ ọrụnka pụrụ iche nke na-egosi ma na-akọwapụta ndụ, ihe na-eme n'ime ya ma ihe ndị a na-ahụ n'ime ya. Ọ na-egosikwa akparamagwa mmadụ nye mmadụ n'ibe ya ma nyekwa ekere chi

n'ọnọdụ mmadụ hụtara onwe ya na ndụ nke oge ugbu a. E nwekwara ike i sị na agụmagụ bụ echiche mmadụ chebara ime were asụsụ nka depụta ya ma ọ bụ kọpụta ya n'ụdị akụkọ, ejije ma ọ bụ abụ iji kpaa ndị mmadụ obiọma ma kụzikwaa ihe.

Ọtụtụ odee na ndị mmadụ dị iche iche edela ma kwuo echiche ha banyere agụmagụ. Otu onye n'ime ha bụ Obidiebube (2017:21) kwuru na agụmagụ bụ nzimozi ma ọ bụ ihe mmadụ chọpụtara site n'ichemi echiche ime n'ihe ọ maara ma ọ bụ ihe ọ na-eche gbasara ndụ ma werekwa asụsụ ma ọ bụ dị ka ọrụnka a pịrị aka wee depụta ma ọ bụ kwupụta n'ụdị ejije, akụkọ ma ọ bụ abụ iji wee zipụta ihe dị iche iche dị na ndụ na n'ụwa mmadụ nọ n'ime ya. N'ịkwado echiche a, nkọwa a zuru oke maka na o metụtara aka n'ichemi echiche ime ma were asụsụ dabara adaba wee zipụta ya n'ụdị ejije, akụkọ ma ọ bụ abụ iji wee zipụta ihe na-eme na ndụ.

N'otu aka ahụ Agụiyi (2006:12) kọwara agụmagụ dị ka akụkọ a rọrọ arọ nke e dere ede na-enye obi aňụrị, afọ ojuju, amamihe ma bịakwa na-akpali mmụọ mmadụ nke sitere n'aka nna fere n'aka nwa. Nwanchọcha kwadoro echiche a maka na n'eziokwu, n'agbanyeghị na ọ bụ agụmagụ ọdịnala ka echiche ya kacha pụta ihe, n'ihi na agụmagụ na-enye obi aňụrị ma bụrụ nke dị ọkpụtọrọkpụ si n'aka ndị nna nna n'oge gboo. Ekwealor (2009:12) zipụtara na agụmagụ bụ ihe ndị ahụ e chepụtara echepụta ma were asụsụ nka site n'ekwumekwu ma ọ bụ n'edemede kọwapụta iji zipụta ịma mma ọdịnala na nkwenye ndị, ihe na-eme n'ụwa, ihe nwere ike ime eme na ihe na-enweghị ike ime eme. N'ịkwado echiche a, nkọwa a dabara n'uju maka na ọ kọwapụtara na mma agụmagụ bụ izipụta ihe na-eme eme na ihe na-enweghị ike ime eme ma bụrụ nke a na-eji asụsụ nka wee zipụta site n'agụmagụ ọnụ ma ọ bụ nke edere ede.

ọnụ.

## 2.7. Igbo

Ndị Igbo bụ ndị isi ojii, ntutu isi ha ndị oji be ebe amaara bụ ala Igbo. Ndị Igbo so n'otu agbụrụ mebere obodo anyị bụ Naijiria. Ndị Igbo bụ ndị eji ịgba mbọ na ịrụsi ọrụ ike nwere maara. Ọ nweghị mpaghara ụwa ị ga-aga ị gaghị ahụ onye Igbo ebe ọ na-agba mbọ n'obodo ahụ. Nke a pụtara ìhè n'ilu Igbo tụrụ si "a naghị anọ otu ebe ekiri mmanwu" ọ bụ nke a kpatara na ndị Igbo juru mpaghara obodo dị iche iche ebe ha na-agba mbọ achọ ihe afọ ga-eri na iji nyere ndụ aka.

Ọfọmata (2013) kọwara na mgbe ọ bụla a kpọrọ okwu a bụ Igbo, na ọ dị ọkpụrụkpụ ihe atọ na-abịa mmadụ n'uche. Ha bu; Ndị Igbo, Ala Igbo na Asụsụ Igbo. Ọ bụkwazi ọkpụrụkpụ ihe atọ ndị ahụ na-akọwapụta na mkpokọta ma na-egosipụta n'uju ihe niile banyere Igbo. N'ihi nke a ka o jiri kwuo na onye ọ bụla chọrọ ịma maka ndị Igbo ga-agba mbọ mata ndụ ha na-ebi, ụdiri agwa ha na-akpa, ebe ala Igbo na asụsụ Igbo tupu mmụta ya ezuo oké.

Ọ gara n'ihu kọwaa ndị Igbo dị ka ndị so n'ime ebe atọ e nwere na Naijiria, ndị isi ojii, ndị akpụkpọ ahụ na-adikari oji nakwa ndị e jighị ito oké ogologo wee mara. Ọ kọwara na ntutu isi ndị Igbo na-eji kpii, ọ naghị ahịọ ahịkọ, uto ya na-adị nkenke. Ndị Igbo na-enwe obosara ihu.Imi ha na-adịkwa mbamba, egbugbere ọnụ ha na-adị nwatakịrị agbidiri (ibu).Ọ naghị adị girigiri ka nke ndị bekee. A gbado ụkwụ na nkọwa ndị a niile e nyere banyere ndị Igbo wee nnyocha nwaafọ Igbo ọ bụla, a ga-achọpụta n'ezie na ọ bụ ihe mere eme.

Ọnwụejeọgwụ (1981) mere ka a mata na ndị Igbo bụ ndị ahụ akpụkpọ ahụ ha na ntutu isi ha na-ejikarị oji. Ọ kọwara na ha na-etopu mmadụ mana ha anaghị eto oke ogologo gwodogwodo ma ọ bụ jie oke oji dị ka ndị Awụsa. O kwuru na ha anakwaghị acha ọcha ka ndị Bekee makana ọcha abụghị ọnatarachi ndị Igbo. Ha na-agba dimkpa ma bụrụkwa ndị e ji ịgba mbọ mara nke mere ka ha nọrọ ebe ọ bụla ụwa sọtụrụ. Ha bi na mpaghara ọwụwa anyanwụ Naijiria. Ndị Igbo bụ ndị eji ịrụsị ọrụ ike wee mara ma bur9ndi na-agbalị ihu na mbọ ha na-agba aghọghị ha ahịa. Nkọwa Ọnwụejeọgwụ dabara nke ọma ma bụrụ eziokwu n'ihi na ha maara ndị dị ka ndị siri nnukwu ike ma na-agba mbọ n'ebe ọ dị ukwuu. Ndị Igbo kwenyere n'aka àjà àjà na-ebute ọnụ mmanụ mmanụ nakwa onye rụọ n'anwụ, o rie na ndò nke mere ha ji agba mbọ iji nye onwe ha nakwa ezinaụlọ ha nri. Nkọwa ya gosiri na ndị Igbo abụghị ndị ume ngwụ ma ọlị.

Ọraka, Anizọba, Agwụbilo na Nwadike (1985) kọwara ihe dabara adaba n'ihe Ọnwụejeọgwụ kwuru. Ha kọwara na ndị Igbo bụ ndị Naịjirịa bi n'ọwụwa anyanwụ nke ọnụ ọgụgụ ha ruru ihe dị ka Nde mmadụ iri na abụọ (12 million). Ha kọwara na akpụkpọ ahụ ha na-ejikarị oji ebe ha onwe ha adịghị nkenke nke ha na-adị nnukwu ogologo. Ha mere ka a mata na ndị Igbo bụ ndị na-arụsi ọrụ ike ma bụrụkwa ndị na-enwe ịhụnanya na Ọmịiko n'ebe ndị ọbịa nọ.

Ndị Igbo bụ ndị na-arụsi ọrụ ike n'atụghị egwu ọ bụla. Ha bụkwa ndị eji aha dị iche iche mara iji gosipụta nke onye ọ bụla na-emekarịcha. O mekwara ka a mata na ọ bụ ụmụ nwoke ha ka a na-etukarị aha ndị ahụ nke gụnyere: Diochi (nke a na-egosi onye eji ite mmanya nkwụ wee mara), Dinta (ọ na-egosi onye ji aka a dọwa agụ ọnụ). O mekwara ka a mata na ndị Igbo bụ ndị eji omenala, obibe ndụ na nkwenye dị iche iche wee mara nke na-ezipụta ụdị ekike, ụdị nri ha na-eri tinyere mmekọrịta ha na mmadụ na ibe ya. Nkọwa Anọzie na-egosi na aha ọ bụla ndị Igbo na-aza, ọkachasi aha otutu ha nwere otu ihe ma ọ bụ karịa ọ na-ezipụta. Nke a pụtara na ndị Igbo na-akpacha anya tupu a baa mmadụ aha ma na-elekwasa ihe mmadụ kacha eme nke ọma wee etu ya aha. Nkọwa ya gosipụtakwara na ndị Igbo ejighị ihe dị n'omenala ha egwuri egwu, nwanchọcha kwenyere na nke a n'ihi na ndị Igbo bụ ndị ji omenala na nkwenye ha kpọrọ ihe n'ihi na ha kwenyere na onye kpọọ ọba ya ọkpọkọrọ, ụmụaka e were ya kpoo ahịhịa, nke a mere ha ji echekwa ma na-akwalite omenala ha ka ọ ghara ifunari ha.

Ọfọmata (2013) na nkwado ya kọwara na ndị Igbo bụ ndị na-arụsi ọrụ ike, ndị e jighị ịrịọ arịrịọ wee mara. Ndị na-agba mbọ nke ukwuu na ihe ọ bụla ha na-eme ma bụrụkwa ndị kwetara na a kpata n'anwụ, a nọrọ na ndo wee rie ya. Ọ kọwara na o nweghị mpaghara ala anyị bụ Naijiria ndị Igbo na-anọghị. Ọ gara n'ihu kọwaa na ndị Igbo anaghị echefu ụlọ nna ha ebe ọ bụla ha gara.

Echiche odee a metụtara n'ụzọ pụrụ iche agwa edemede a gbadoro ụkwụ na ya bụ agwa Maazị Obijiọfọ, n'agbanyeghị nkọwa ndị mmadụ zipụtara banyere agwa n'elu ebe a.

Echiche ndị odeee e zipụtara n'okwu ndị e nyere nkọwa ha n'elu ebe a dịcha mma n'ụdị ha na etu e si wee zipụta ha. Ka o siladị, o nweghị nke ọ bụla n'ime ha a ga-eji wee nọchite anya edemede nchọcha a, n'ihi na ọ dịghị nke ọ bụla n'ime ha e zipụtara ihe banyere agwa na ekwumekwu nka Maazị Obijiọfọ n'*Ụkpana Okpoko Buuru.* Ọ bụ nke a mere na omenchọcha bagịdere edemede nchọcha wee na-arịọ ka a nabata ya n'etiti edemede ndị ọzọ, iji mee ka agụgụ na mmụta banyere agwa na ekwumekwu na-abawanye.

### 2.8. Usoro Nchọcha

Usoro a gbasoro wee mee nchọcha gụnyere ịgụ akwụkwọ agụmagụ ederede Igbo bụ *Ụkpana Okpoko Buuru,* nke e si nay a wee chọpụta agwa Maazị Obijiọfọ na nka ekwumekwu ya. Ebe ndị ọzọ a gara nta nchọcha banyere ihe e dere n'edemede a, bụ n'ọbakwụkwọ na ọwa nzikọrịtaozi intaneti nke e si na ya chịkọba echiche ndị odee n'ụfọdụ okwu pụtara ihe n'isiokwu nchọcha a. Ọ bụ Atụtụ ke Otu nke na-ezipụta echiche ndọrọndọrọ n'etiti otu otu na ibe ya ka e ji tụchaa edemede a, were asụsụ dị mfe wee zipụta ya.

## 3. Nzipụta na Ntụcha Echiche Banyere Agwa Maazị Obijiọfọ na Ekwumekwu Nka Ya n'*Ụkpana Okpoko Buuru* T. U. Ubesie

### 3.1. Nchịkọta Akụkọ Dị n'*Ụkpana Okpoko Buuru*

*Ụkpana Okpoko Buuru* bụ akwụkkwọ agụmagụ Igbo Maazị Tony Ubesie dere, nke ọ kọrọ akụkọ iji gbaa ihe ọjọọ dị iche iche ndị mmadụ na-eme n'ụzọ pụrụ ohi a na-ezu n'Ifite-Amaeke n'anwụ. Akwụkwọ agụmagụ a bụ akụkọ banyere akpamike na odogwu. Odee ya si na ya gosi anyị Obodo bụ Ifite-Amaeke nke ndị bi na ya nke e kewara ụzọ abụọ: ndị ezigbo mmadụ na ndị ajọ mmadụ weghara aha bụ 'Odogwu.' Ndị odogwu dị ka e si zipụta ha bụ ndị ohi, ndị omekome na abalịdịegwu. Ndị otu a ji ajọ omume ha anyaisi were ya na-eme nganga, n'ihi na ha chere na ime odogwu na ịkpaike bụ ịga ohi na mba ma ọ bụ obodo ọzọ lọta.

N'aka nke ọzọ, Maazị Obijiọfọ bụ onye nọchitere anya ndị ezigbo mmadụ ma bụrụ Ọkaokwu a maara ama. Ọ bụ kwa nnukwu Dinta nke na a na-etu ya 'Ọgbanụfe.' Ọ bụ onye ihe ọjọọ na arụ ndị ahụ kpọrọ onwe ha ndị odogwu na-akpa na-ata arụ n'anya. Ọ bụ mmadụ kpọrọ ihe ọjọọ asị, nke mere na o chekatara ihe ọ ga-eme, wee bilie gawa na be Obi Udeaja bụ Eze na-acha Ifite Amaeke, ebe ọ nọ zipụta nka na onyinye ekwumekwu ya. Maazị Obijiọfọ ekwenyeghị na ihe ndị ajọ mmadụ ahụ na-eme bụ odogwu, nke a mere na o ji mee ka a mata na ọ bụ onye gburu oke anụ ọhịa na onye jere agha buru isi mmadụ lọta bụ onye e kwesiri ịkpọ odogwu. Ọ bụ nka na ebube dị n'onyinye ekwumekwu ya mere na Obi Udeaja nọ n'Ocheze ya na-ele ya anya ka ihe a pịrị apị.

Malite mgbe ahụ Maazị Obijiọfọ zọpụrụ ụkwụ dịke n'ala, wee gaa gwa Eze na-achị Ifite- Amaeke etu obi dị banyere mkparị na ajọ aha ndị a kpọrọ onwe ha ndị odogwu na-ebụtara Obodo ha bụ Ifite-Amaeke, ndị odogwu ahụ wee chọwa ụzọ ha ga-esi meminaa ya. Ha malitere ịmanyere ya ọnya n'ụzọ

dị iche iche iji mara ma ọ ga-ada ada okwu ka ha wee hụ ihe ha ga-eji gbu ya. Ọ bụghị naanị Maazị Obijiọfọ ka ndị odogwu na-ebuso agha ugbu a, n'ihi na ha mechara laa n'ọhịa ha kpọrọ Ifite Ukwu ga-ebiri. Ọ bụ n'ebe ahụ ka si wee na-akpa arụ ha na-akpa n'obodo nilee gbara Ifite-Amaeke gburugburu.

Ọ bụ kwa n'ebe ahụ ka ha si bịa chụpụ a Obi Udeaja n'Ocheze, ma chie Maazị Okoye Eze. N'otu aka ahụ agha uche ha na Maazị Obijiọfọ na-alụ garụru nke na a ga-alụpụta ya ihe, nke a mere ka Maazị Obijiọfọ na ụmụ ya buo ha agha otu abalị ahụ ha kara na ha ga-abịa gbuo ya na ụmụ ya. Ọ bụ ka a lụchara agha ahụ ka Maazị Obijiọfọ na ụmụ ya ji were abalị laa Ụmụarọ.

Dị ka akparamagwa ndị Obodo Ifite Amaeke si wee dị njọ, ha gburu otu nwa nwoke aha ya bụ Kasịe, bụ nwa nwanyị ajadu. Ndị odogwu mechara gbuo Maazị Obijiọfọ n'ebe ya na ụmụ ya gara n'ọhịa ịchụnta. Ọjọ agwa ndị Ifite–Amaeke mekwara ka ha na ndị Ụmụikenga lụọ ọgụ nke riri ọtụtụ mmadụ. N'ikpeazụ, ụmụ Maazị Obijiọfọ mechara lọghach n'obodo ha, nke ọ bụ ha bagharịrị aha ka ọ bụrụ 'Amaeke.'

### 3.2. Agwa Maazị Obijiọfọ n'*Ụkpana Okpoko Buuru*

Agwa bụ mmadụ, mmụọ na anụ na-eme ihe a na-akọ akụkọ banyere ya n'ụdị ejije ma ọ bụ iduuazị, site na ntọala ebe odeee chọrọ ka o zipụta na ya. Ọ bụ nke a mere na agwa e zipụtara ejije ma ọ bụ iduuazị aghaghị ịgbado ụkwụ na ntọala ebe akụkọ ahụ si. N'agbanyeghị na e nwere ụdị agwa abụọ pụtara ihe n'agụmagụ, nke gụnyere agwa ndagharị na agwa larịị, *Ụkpana Okpoko Buuru* mere ka a ghọta na Maazị Obijiọfọ bụ agwa ndagharị nke na-agbanwe dị ka akụkọ na-aga n'ihụ. Ihe ọzọ na-enye aka n'ịmata agwa na nzipụta ya, gụnyere mmekọrịta dị n'etiti agwa na ibe ya. Ọ bụ mmekọrịta a ka e si a chọpụta ihe agwa ndị ọzọ na-ekwu banyere agwa ahụ, ihe agwa ahụ na-ekwu banyere onwe ya na ihe a hụrụ banyere agwe ahụ.

*Ụkpana Okpoko Buuru* nyere aka n'ụzọ pụrụ iche n'izipụta agwa MaazịObijiọfọ dị ka a ga-ahụ n'ihu akwukwo ndị a, nke anyị ga-ezipụta n'isiokwu ndị a:

### 3.3. Maazị Obijiọfọ Bụ Mmadụ Ihe Ọjọọ na-Ata Arụ n'Anya

Echiche a pụtara ihe n'*Ụkpana Okpoko Buuru* dị ka e zipụtara ya n'ihu akwụkwọ ndị ga:

Obijiọfọ nọ na be ya, chechaa arụ ndị be ha bụ Ifite-Amaeke na-akpa, mewe ka ọ ga-ajụ chi ya ajụjụ ihe kpatara o ji kewe ha, tachie obi sị na ọ dịghị ihe gbara Chukwu gharịị. Ọ bụ ezi okwu na e ziteere ya ozi na Okoli anwụọla, uche ya abụghị ije, maka na a sị na onye hụrụ ozu, sị na afọ toro ya, ibe ya gawakwa mgbarụ, ya agakwala. Onye ikwu ya nwụrụ ma o soghi gaa, ọ dị ka ọ bụ ya gburu onye nwụrụ anwụ. O wee bilie gawa na ibe ya na-aga. (ihu1).

N'otu aka odee mere ka a mata na Maazị Obijiọfọ nọ na-ata eze ya, na-eche onye ga-akpasụ ya iwe ka o kwuo ihe bụ uche ya, ma ọ dịghị onye kpasụrụ ya. Maka na ihe na ewe iwe bụ na 'ndị Odogwu ahụ niile na-ezu ohi ahụ adịghị ezu ya na ha enweghi ihe na be ha; ha na-ewere ya ka ọ bụ ike ka ha na-akpa ma ha jee ohi n'obodo ọzọ, jiri isi ha lọta. Ha ekweghi na ọ bụ ihe ọjọọ. Ụfọdụ na-eji ya etu ọnụ ma nwa ụkpana amaghị na ọ bụ ọrụre ka ọ na-ere, sị na ọ bụ mmanụ ka ya na-aha.' Ọ bụ ajọ ọnọdụ ndị obodo ya nọ nke na-ata ya arụ n'anya, mere na odeee kọwara na 'Ozugbo Maazị Obijiọfọ ruru ụlọ be ya, ọ nyara akpa ya gawa na be Obi Udeaja, bụ eze na-achị Ala Ifite-Amaeke. Ọ na-aga n'ụzọ, o were obi ya na-atụgharị ihe ha abụọ ga-akọ n'akụkọ, maka na a hapụ aka enwe n'ofe, onye ọbịa bịa, ọ ghọọ aka mmadụ.'

### 3.4. Maazị Obijiọfọ Anaghị Atụ Egwu

A chọpụtara na Maazị Obijiọfọ anaghị atụ mmadụ egwu dị ka a hụrụ ya na mkparịtaụka ya na Obi Udeaja. Okwu o ji malite mkparịtaụka ya na Obi Udeaja mere ka echiche pụta ihe, mgbe ọ sị:

Onye nwe obodo, adịghị m ezo ezo agba atanị akụ n'ihi na ọ dịghị ihe ọ ga-eme m. Ike eze bụ ndị ọ na-achị. Eze ọ bụla kwesiri ka o jiri obodo ọ na-achị na-anya isi. Ị gaa n'obodo ọzọ, a na-ekwu okwu kpọọ Ifite-Amaeke aha, a sị na ọ bụ obodo ndị ohi, kedu ka ọ ga-adị gị? (ihu3)

Onye ọ gwara okwu a bụ eze na-achị obodo ya, nke a gosiri na ọ sọghị eze anya wee gwa ya ụdị okwu a maka na ọ bụghị onye na-atụ egwu mmadụ. A ga-ahụ kwa nke a na mmekọrịta ya ndị mmadụ ọzọ nọ n'obodo Ifite-Amaeke. Odee a mere ka otu echiche a pụta ihe oge sị:

Ọ bu ezi okwu na ndị Igbo tụrụ ilu sị, onye ruo n'obodọ na-ebe ntị, ya bere nke ya tụnye, Maazị Obijiọfọ jụrụ ịtụnye ntị ya, n'ihi na ọ tụnye ntị ya, ruo n'obodọ na-enwe ntị abụọ, gịnị ka ọ ga akọrọ

chi ya? Ihe ọ bụla a na-eme n'obodo, onye akpọla ya; uru dị ya, ha riwe, ma ọ nyụ ha ahịa, n'isi ha. Omume ụfọdụ ha na-emeso ya ezuola ịgwa ya na ha na-esiri ya ọnya ka ha nweta ihe ha ga-asị na o mere, wee gbuo ya.

N'agbanyeghị ọnya ndị ajọ mmadụ nọ n'obodo ya na-ekwere ya, Maazị Obijiọfọ gara n'ihu na-atụ ha mmeghie ha n'ihu ha. Odee a zipụtara echiche a oge ọ sị:

Mgbe Maazị Obijiọfọ nọọrọ ala, ndị mmadụ weere anya na-egosi ibe ha, ndị a na-ekwu maka ha. Maazị Obijiọfọ arụpịala ha anya, maka na ọ bụ ezi okwu na a ma ha, onye ọ bụla adịghị eme ka ọma ha. Ma ugbu a Maazị Obijiọfọ kwuchara okwu, onye amaghị ndị a na-ekwu maka ha ga amara. Onye ya na mmadụ bidewere, amarala ma ọ bụ onye ohi, ma ọ bụghị. A tụpla ilu nkịrịka nkata, ndị ahụ tara amarala. Okwu a Obijiọfọ kwuru, weteera ya ndị enyi na ndị iro. Ndị Igbo sị na mmadụ adịghị mma ibute ọnụ mmee ebe ọ gara igbo ọgụ, ma Maazị Obijiọfọ anọrọla ebe ọ gara igbo ọgụ dịịrị Ifite-Amaeke na nna ha ndị nwụrụ anwụ, bute ọnụ mmee. Ọ bụ ezi okwu na ọbara awụfụbeghi, ọbara ga-awụfụ, maka na ndị ' Odogwu ' dị n'lfite-Amaeke abụghị ndị a na-arụ aka n'ihụ, na-ala ụkpọrọ.

Odee gara n'ihu gbaa akaebe banyere Maazị Obijiọfọ dị ka onye anaghị atụ mmadụ egwu oge kwuru sị, 'Naanị na o biliri ọtọ mere ka obi dị ndị obodo mma, maka na o kwughi, ọ dịghị onye ọzọ egwu ga-ekwe kwuo okwu, n'ihi na ọhịa ogwu mara ọkụkọ, a naghi epio ya epio.' (ihu17)

Echiche pụtara ihe n'ebe a, bụ na ndị ajọ mmadụ kpọrọ onwe ha ndị odogwu emekpakatala ndị obodo ha ahụ, nke na egwu anaghị ekwe ha ekwu uche ha. Ọ bụ ọnọdụ dị etu a, ka Maazị Obijiọfọ nọ n'ime ya wee nwe ike ịgwa ha okwu, nke a gosiri n'ezie na ọ naghị atụ mmadụ egwu.

### 3.5. Maazị Obijiọfọ Kwenyere na Nkwụcha Abụghị Ụjọ

Maazị Obijiọfọ bụ onye nwere nnukwu amamihe. Ọ bụ nke a nyere ya aka ịmata ihe oge ya ruru n'agha ọ na-ebu na mmekọrịta dị n'etiti ya na ndị odogwu. Odee mere ka nkwenye Maazị Obijiọfọ banyere na nkwụcha abụghị ụjọ pụta ihe n'ihuakwụkwọ ndị a, oge ọ sị:

Ma ọ bụ naanị nwata bụ onye amaghị anya e lere ele, na nke a rọrọ arọ. Ọ bụ naanị osisi ka ọ na-abụ a sị ya na a ga-egbu ya, ọ nọrọ na-ele n'anya. Ma mmadụ a sị na a ga-egbu, ọ mara na ike adịghị ya imeri, o jiri gboo zọwa ndụ ya. Nke a mere Maazị Obijiọfọ ji kwuo n'obi ya, na ala Ifite agaghị abata ya na ndị odogwu. Ebe onye ohi bụ eze mara na obodo ọ na-achị bụ obodo ndị abalị dị egwu. Ha achụpụla onye na-asị ha wepụ aka enwe n'ofe.

Nkwenye Maazị Obijiọfọ na nkwụcha abụghị ụjọ, pụtakawra ihe oge odeee kwuru sị:

Mgbe Maazị Obijiọfọ ruru ụlọ, o kwuo n'obi ya sị na egwu a na-ekwere igba eruwela. Nkịta sị tụhapụrụ ya nri n'ezi, ma sị hapụrụ ya na ndị mmụọ ọgụ. Ugbu a, Maazị Ezekwe atụhapụla nri n'ezi: ọgụ bụ nke, Obijiọfọ na ndị odogwu. O teela mmiri ahụ ji ruwe. Ugbu a, o ruola mgbe ọ ga-ezo. Mgbe ọ batara, ọ kpọọ ụnụ ya, gwa ha ihe ya nụrụ ka ha wee jiri gboo kewe akwa n'ume, maka na a gbaa ụzọ, a gba ghara ọdachị. Abalị ọ bụla, Jideọfọ na Obiọra ejiri abọ buru ji ha, na-ebupu. Ha megidere otu a abalị isii gaa, ma ji ha kere karịrị akarị. Ọ bụ abalị nke asatọ ka a na atụ anya ndị odogwu. Ọ gwara ha para ndị fọdụrụ bulaa na be Maazị Ezekwe. Ugbu a, ihe ha niile apụọla ma e wepụ àkwa ha.(ihu 20)

Ihe a hụrụ n'elu ebe a bụ omume onye nwere amamihe ga-eme, nke otu n'ime ya bụ na nkwụcha abụghị ụjọ. Maka na ọ bụrụ na Maazị Obijiọfọ na ụmụ ya ekeghi nkwụcha, ndị odogwu ahụ nwere ike imebi akụnuba ha ma ha chọọ ha ghara iweta ha.

### 3.6. Maazị Obijiọfọ Dị Ka Dinta na Nnukwu Ọchịagha

E nwere ọtụtụ ihe akaebe mere n'*Ụkpana Okpoko Buuru* zipụtara na Maazị Obijiọfọ bụ Dinta na Nnukwu Ọchịagha. Ihe akaebe ndị ahụ banyere ọkwa Maazị Obijiọfọ dị ka Dinta na Nnukwu Ọchịagha pụtara ihe n'ihuakwụkwọ ndị a. Ebe mbụ e gosiri mmekọrịta Maazị Obijiọfọ ngwaọrụ ma ọ bụ akarangwa mere ka ọ bụrụ Dinta na Ọchiagha bụ mgbe odeee zipụtara na, 'Maazị Obijiọfọ biliri ọtọ, chọọ ka o koro egbe ya, ma o kwuru n'obi ya sị na ndị Ifite-Amaeke ịchụ onye ohi bụ onye ohi ịchụ ibe ya, dịnakwa ala ọzọ, kpuo ute ya nke ọma.' (ihu16). Ọ gara n'ihu n'izipụta echiche a oge o kwuru na n'ụbọchị nke asaa, o wepụtara egbe ya na nsị egbe ya n'ezi, chee ha n'anwụ. Mgbe anwụ titere ha nke ọma, ọ bụru mkpọ nsị egbe ahụ buba n'ụlọ, pụta n'ezi were egbe ya n'aka, bido tuwe ya aha. Ọ tuliri egbe ya elu, ghọrọ, tulie ya ọzọ, ghọrọ, cheta ike o ji ya kpaa, hihie n'isi, were ya, webaa n'ụlọ. O were ya n'aka nri, tulie ya elu si:

Odogwu ọzara! Ọ bụ gị na-akpa nkụ, na -echuru okenye mmiri. E cheta e zuru ike. Ọ bụ gị bụ ezi ụgụrụ; a zachaa, o ruchie'. Ọ tulie ya elu, ghọrọ ya ọzọ, bido kwuwe, 'Egwu tụwa dike, o cheta na ị nọ ya n'akụkụ, obi esie ya ike. "E ruru n'ọhịa adaka, a sị na egbe bara ya adịghị apụta, n'ihi na enwe nọ ebe ahụ na-agbaji egbe. Ị sị na onye amaghị onye ka ya, ya pụtawa. E ruo ka i jere, gawa ịpụta, chịrị akpụkpọ enwe n'aka, jiri isi gị pụta.' Mmiri na-ama ụmụ anụ; ọ bụ gị ka e jere ọgụ n'Ụmụarọ, buru ibe gị n'isi lọta, ma naanị gị ka e ji n'aka. Ugo tozuo, ọ chakee. Na-ekwu na ana m anụ! Ị gbara nchi, ozu ya dọrọ; ị gbara ele, azụ ya ruo ala, ị baara utobo mba, ọ mara na ihe na-aka ibe ya. Ihe mụ na ya yi eje mba, a jụọ m ole ka anyị dị; m sị ha na anyị dị ise, maka na otu ọnụ mba ị bara ezuola ịchụsa ama ndị ụjọ. Ọ bụ gị bara ọhịa ukwu, gbagbuo ibu na-anyiji okorobịa olu (ele). Gị ka a sị na ndị iro nọ n'ụzọ, ị sị gawa, na ọhịa a na-achụ nta na-arụ ajọ aka, agụ anọghị ya, ọdụm anọrọ ya. Mgbe i ruru baa mba, ozu dike atọ dọrọ n'ala, na-ekwe n'isi ka ọtị.

O jee were egbe ahụ dewe n'ukwu osisi ọha, turu ya aha na-aga. Ọ bụ gị bụ ihemmụọ hụrụ gbaa ọsọ, mmadụ hụ gị gbaa ọsọ, maka na i meghee ọnụ, ozu mmụọ adaghị, ozu mmadụ adaa. Maazị Obijiọfọ wee bido kpesawara ya ikpe ka ọ bụ mmadụ, sị ya:

Ejula sị na ụmụ mmadụ sị na ya esighi ike; ma e mee, ha esi n'azụ na-anwụta ya; ọ dịghị onye egwu na-ekwe esi n'ihu anwụta ya. Ndị ohi kpọrọ onwe ha odogwu, ma e mee, ha ejiri uchichi eje ohi. Ha mara na ha bụ odogwu, ọ bụ gịnị mere egwu adịghị ekwe ha jiri ehihie jewe? I buoro ọgụ jekwu Ụmụafa na be ha, chụsaa ha; buru jee Ụmụarọ chụsaa ha; buru jee n'Agangwụ, turu ugo lọta. Ma ugbu a, ndị odogwu sị na ha ga-ebu egwu bakwute gị n'ụlọ. I gwuola iyi ukwu, gwuo nke nta. Ị karịka ite ofe nwanyị ụbịam, maka na ike adịghị agwụ onye nọ be ya.

Ọ tụliri egbe ya elu, ghọrọ, tụlie ya ọzọ, ghọrọ, cheta ike o ji ya kpaa, hihie n'isi, were ya, webaa n'ụlọ.

(ihu20-21)

Ugbu a, onwa na-eti. Maazị Obijiọfọ wee welie egbe ya kiriwe. E ji akpụkpọ agụ mechie ebe a na -akwụnye igu egbe, jiri akpụkpọ odum chọọ ya mma n'ike egbe, were akpụkpọ atụ mee eriri e ji anya ya. N'ike egbe, o nwere akpụkpọ a kwara okirikiri, tunyechaa ya abụba ọgazị, na nke ọkwa, na nke ụmụ anụ ufe dị iche iche. N'akụkụ ya, e weere ihe kpọpụ chaa ụmụ obere oghere. Obere oghere ahụ ruru iri na asatọ. Nke a gosiri mmadụ ole e ji egbe ahụ gbagbuo. Ihe a niile a madoro ya n'ahụ bụ ihe e ji egbe ahụ gbuo. Ma i lechaa ya anya, ị hụ na aha niile a Maazị Obijiọfọ na-etu ya kwesiri ya. Mgbe o ji egbe a otu a, ụra bidoro tụwa ya; o wee dina ala, rahụ ụra. (ihu23)

Odee mere ka echiche na Maazị Obijiọfọ bụ Dinta na Ọchịagha pụta ihe ọzọ n’ebe a oge ọ sị:

“Mgbe ha niile pụtara, ha niile gbakọọ otu ebe ka ha gbawa izu, ‘odogwu ọzara’ meghee ọnụ; ọ daa ’kadiim’. Mkpu fịọrọ ebe niile. Obijiọfọ abụghị onye na-agbaegbe agbajọ; ndị obodo na-etu ya ‘Ọgba n’ufe’ mgbe elu bụ ala ọsa, ma ya fọdụzịa nke a ha nọ n’ọnụ ya.Ihe ha bụ mmadụ asatọ, ma odogwu ọzara’ meghere ọnụ, mmadụ abụọ dara n’ala. Otu onye a gbajiri ụkwụ na-eti mkpu sị ha ahapụkwala ya ebe ahụ laa. (ihu24)

Ihe anyị hụrụ n’elu ebe bụ ihe akaebe na Maazị Obijiọfọ bụ bụ Dinta na Nnukwu Ọchịagha, nke a mere ka ndị obodo ya na-etu aha otutu bụ Ọgbanufe.

### 3.7. Maazị Obijiọfọ na Ekwumekwu Nka Ya n’*Ụkpana Okpoko Buuru*

Maazị Obijiọfọ bụ mmadụ maara okwu. Ọ bụ onye okwu na-agara ozi. Na mpaghara edemede a, a ga-eleba anya n’ekwumekwu nka ya dị ka a ga-ahụ n’ihuakwụkwọ ndị a. Odee zipụtara echiche a oge ọ sị ma mgbe Maazị Obijiọfọ kpọrọ eze ihụ, o gbudo otu ikpere n'ala, bido tuwe ya aha sị:

Obi Udeaja, ndeewo!
Otu ọjị dị n'etiti nkwụ, ndeewo!
Ọnụ na-ekwuru ọha, ndeewo!
Ike na-achị ọha, ndeewo!
Egbe Ifite ji eje ọgụ, ndeewo!

Odee mere ka anyị mata na okwu ya ejedebeghi n’ebe a, nke a mere na mgbe ha tachara ọjị, Maazị Obijiọfọ wee bido kwuwe ihe o ji bịa. Ọ sị Obi:

Onye nwe obodo, adịghị m ezo ezo agba atanị akụ n'ihi na ọ dịghị ihe ọ ga-eme m. Ike eze bụ ndị ọ na-achị. Eze ọ bụla kwesiri ka o jiri obodo ọ na-achị na-anya isi. Ị gaa n'obodo ọzọ, a na-ekwu okwu kpọọ Ifite-Amaeke aha, a sị na ọ bụ obodo ndị ohi, kedu ka ọ ga-adị gị?

Na nzaghachi ajụjụ ọ jụrụ, Eze wee za ya sị na ọ ga-adị ya ka ya mie ala, ma ihe onye ahụ na-ekwu buru ezi okwu. Maazị Obijiọfọ wee si Eze:

Onye chọrọ igbo ọgụ, buru ụzọ gbowe ịrụ aka. Ndị be anyị ji ohi eme odogwu ugbu a. Ọ dịla mmadụ abụọ e bulatara maka ohi. Ugbu a, Okoli emcela ha onye nke atọ! Ndị Ụmụafa kọwa akụkọ ohi na be ha, ha akpọwa Ifite Amaeke. Ndị Agangwu kọwa akụkọ ohi na be ha, ha akpọwa anyị. Ndị obodo e zuru ohi na be ha, ha ṅuchaa iyi ma ọ dịghị onye o jidere, ha asị na ọ bụ ndị Ifite-Amaeke bịara ohi na be ha. Ma i lezie ya anya, ị hụ na ha na-ekwu ezi okwu, oge ọ bụla e fowere ifo, e fonye mbe. Mbe hapụ aghụgho, ma ndị mmadụ hapụ ya aka. Ugwù niile a na-akwanyere obodo anyị n'oge mbụ adịghịkwa ugbu a, maka na ikwu riri awọ, a dịghị ekwe na onye ọma dị na be ha. Onye nwe obodo, ị mara ihe ị ga-eme ka ndị be anyị ghara ite aha obodo anyị unyi, etufula oge. Kama ihe ga-eri isi anyị, ya kpuru okpu anyị.

Ndị Igbo na-ekwu n'okwu asị na a hụ ihe ka ubi, e ree ọba. Odee a gbara akaebe banyere nka ekwumekwu Maazị Obijiọfọ zipụtara n'elu ebe a, nke mere na ọ sị na Obi Udeaja nọ ka ihe a pịrị api, na-ele ya n'anya, Maazị Obijiọfọ wee kwuchaa. Ọ bụghị naanị nke a, ọ gara n'ihu kwuo na ebe Obi na-ekporopu anya, ọ maghị oge arọ ọzọ ya ji wee danahụ ya. Otu akakpọ nọ ya n'aka nri tụtụtara ya, nye Obi. Ọ sị Maazị Obijiọfọ na ya anụla akụkọ maka ohi a mbụ, ma ya ekweghi na ọ bụ ezi okwu. Nke a mere ya ka ya nọrọ na-ele n'anya, ya emee jee ịbọ atụrụ, bidọ na mpi.

Odee gara nihu izipụta na Maazị Obijiọfọ bụ Ọkaokwu oge o gosiri ihe o kwuru ka eze kwuchara okwu nọrọ ala.   Ọ sị na Maazị Obijiọfọ biliri ọtọ, kelee eze, kelekwaa obodo, wee kwuwe okwu sị:

Ndị nwe m, mmadụ rụọ ala, a kọwa akụkọ, a sị na ọ bụ mbe rụrụ. Mmadụ jee ohi, a kọwa akụkọ, a sị na ọ bụ mbe jere. E bokata mbe ihe o mere na nke o meghi, ụbọchị ọ ga-eji iwe mee nke ya, mkpọtụ ga-eme. Otu ihe m chọrọ ịkọrọ unu bụ na onye a na–azọ na–anaghị azọ onwe ya, otu ụbọchị, a hapụ ya azụ eruo ya ala. Unu lee anya n'ọnwụ ụfọdụ mmadụ na be anyị, unu ahụ ihe yiri ibe ya. Ihe yiri ibe ya ahụ abụghị ihe ọzọ ma ọ bụghị na oge ọ bụla a chọrọ iri oriri, di mkpa ahụ adịghị arịa na-anwụ ọnwụ mberede. A jụọ ihe gburu ya, a sị na ọ bụ agwọ tagburu ya; ma agwọ tara onye ahụ, na ebe ọ tara ya, bụ nke mmadụ adịghị ahụ. Nke ọzọ mgbe mmadụ atọ ndị a nọ ndụ, a gawa inwe oriri, ha na-egbu ewu na atụrụ, ma ọ dịghị onye na-ahụ ha mgbe ha na-azụ ya n'ahịa. O dịghịkwa abụ nke ha luwere n'ụlọ. Adịghị m ekwu maka ndị nwụrụ anwụ, ana m ekwu maka ndị otu ha fọdụrụ. Jirinu ihe mere ndị nwụrụ anwụ mara ihe! E kwughi ekwu mere ọnụ, a nụghị anụ mere ntị! (ihu6-7)

Odee mere ka anyị mata na mgbe Maazị Obijiọfọ kwuchara okwu wee nọrọ ala, ndị mmadụ weere anya na-egosi ibe ha, ndị a na-ekwu maka ha. Maazị Obijiọfọ arụpịala ha anya, maka na ọ bụ ezi okwu na a ma ha, onye ọ bụla adịghị eme ka ọma ha. Ma ugbu a Maazị Obijiọfọ kwuchara okwu, onye amaghị ndị a na-ekwu maka ha ga amara. Onye ya na mmadụ bidewere, amarala ma ọ bụ onye ohi, ma ọ bụghị.

Odee zipụtara nka ekwumekwu Maazị Obijiọfọ n'okpuru ebe a oge ọ sị na ọ nọkatara, obi ya sị ya jee mara ihe ndị ohi ga-eme onye ohi. Mgbe ọ bịara, ọ hụrụ ndị odogwu ebe ha na eze na-agba izu. Ọ gaa nọrọ n'otu akụkụ na-ele ha anya. Mgbe ha gbachaara izu pụta, Maazị Obijiọfọ wee jụọ ha ihe na-eme, otu onye wee bido kọwara ya ihe mere, o wee jụọ ha ihe ha chọrọ ime ya. Ha wee za ya sị na onye ahụ kwesiri ka e lie ya na ndụ. O wee sị ha:

Ọ bụghị nanị ya mere ihe a dịghị eme mgbe ochie. Nke mbụ, anyị anụbeghi na ntị na ndị be anyị chụpụrụ obi na-achị obodo, ma nke a emeela n'ihu anyị. Nke abụọ anyị anụbeghi na nna nna anyị ha ji ohi eme odogwu. Nke atọ anyị anụbeghi na ndị be anyi ji ohi echi echichi, ma nke a emeela n'ihu anyị. Nke anọ, anyị anụbeghi na nna anyị ha hapụru obodo a mụrụ ha, baa n'ime ọhịa gaa ruo ụlọ biri, ma nke a emeela n'ihu anyị. A ga-agụwa otu ka ọ bụ abụọ? Ndị be anyị, ihe mee ihe emeso ya.

A mara ụta a ga-ata nkịta riri akwa ọkụkọ si tawa ndị nwe ya ma na nkịta ha na-eri akwa ọkụkọ ma hapụ ya, ọ na-aga na mpio ọkụkọ, maka na onye na-etu onye ohi aha so edunye ya. Ụmụ nna m, onye mara na ọ bụ uche ya igbo ọgụ, ya gbowe ịrụ aka.

Odee mere ka nayị mata na ọ dịghị udị aha a na-etu mmadụ e tụghị Maazị Obijiọfọ n'ihi okwu a o kwuru. Ihe fọrọ ha bụ ije buru ya n'isi, ma ndị odogwu amaghị ihe ha ga-eme. Ụwa ha gbara ha gharịị. Obi Okoye amaghị ihe ọ ga-eme. O ghewere ọnụ oghe ka nwatakịrị e kpunyere okpu karịrị isi ya. Ọ maghị ihe ọ ga-ekwu, wee sị ndị obodo niile lawa. Ọ gara n'ihu zipụta na naanị na o biliri ọtọ mere ka obi dị ndị obodo mma, maka na o kwughi, ọ dịghị onye ọzọ egwu ga-ekwe kwuo okwu, n'ihi na ọhịa ogwu mara ọkụkọ, a naghị epio ya epio. O wee bido kwuwe okwu si ha:

Ụmụ nna m, mkpi sị na ọ bụ ebe ya jere ikwu nne ya ka ya ji mụta ijaghe ọnụ. Ọkụkọ jere tụghee ọnụ agbịsị, agbịsị bịa ọgụ, ya agbakwala ọsọ. Izu gara aga ka a nọ ebe a chie mmadụ "Ekwueme" maka ohi. Onye ahụ jere na-ezute ihe ndị mmadụ, buru na-alọta, a na-etu ya aha. Ndị be anyị na-asị na e ji ije ohi eme odogwu. Ugbu a, Maazị Ọrakwe jere be eze zuo ohi. Ndị na-eche be obi nche karịrị iri mmadụ abụọ. Ebe ọ bụ na ọ tụghị egwu gawa, aga m asị na o meela ihe ka nke ibe ya mere. N'ihi nke a, ana m ekwu ka e chie ya "Ogbuenyi" n'ihi na onye egwu kwere jee ohi na be eze bụ odogwu dị n'odogwu. Ma ọ bụrụ na ụnụ ma na ohi aghọọla ihe ọjọọ na be anyị sị tie iwu ya.

Odee gosiri na Maazị Obijiọfọ gara n'ihu n'ikwu ka ọ dị ya n'obi na-agbanyeghị ọnya ndị odogwu na-ekwere ya. Otu n'ime ọnya ha na-ekwere ya bụ eze ịsị ya gọwa ọjị ka o kwuchara okwu o kwuru n'elu ebe a. O wee bilie, legharịa anya, hapụ ọfọ a si ya gọwa, bido kwuwe okwu. O wee sị ha:

Ugwu a ụnụ kwanyeere m dị egwu. Ọfọ anyị na-agọ abụghị ihe ọzọ, ma ọ bụghị ịrịọ nna anyị ha ndị nwụrụ anwụ arịrịọ. Ma ọ dị mkpa ka anyị tulee obi anyị, mara ma anyị na ha adịkwa na mma. Echichi a a na-akpọ "Ekwueme" bu oke ihe, ma ihe anyị na-atụ aka, n'ihi na a dịghi eri udele eri, nke e ji etu abụba ya n'isi, Onye tụrụ abụba udele gaa obodo ọzọ, a kpọwa ya "Ori udele. " Maazị Ezekwe, ezi ihe ka anyị na-atụ anya n'aka gị, maka na ibu a na-ebo nwata, bụ ka isi ya ha.

Odee gbara akaebe na Maazị Obijiọfọ kwuru nke ọma, n'ihi na sọ anya nkịtị ndị obodọ na-ele ya gosiri ya na okwu ya kwụ ọtọ ka ukwu nkwụ. O wee tukwuru ala, bido gọwa ọfọ sị:

Nna anyị mụrụ Ifite, na be gị ka anyị nọ! Ndị nwe anyị, leenu ọjị taa. Ihe ọma ka anyị na-arịọ, ma o nwee ajọ ihe anyị metere dị ụnụ iwe, ụnụ ekwela ka nkịta rie nsị, eze eree ewu. Egbe bere, ugo bere; nke si ibe ya ebela, nku akwala ya, ma ya ṅomiere ibe ya. Ihe onye chọrọ, ya hụ; ma ọ hụ, ya agbakwala ọsọ. Onye chọrọ nwa mụtakwa. Onye chọrọ akụ na uba nweta ya n'ụzọ ziri ezi nna ya ha si nweta, maka na ihe mmadụ ataghị ahụhụ wee nweta, ọ dịghị ama uru ọ bara. Nna anyị, nke ka nke m na-arịọ ụnụ bụ: onye chọrọ ihe ukwu, hụkwa agba enyi.

Ihe anyị hụrụ n'elu ebe a, banyere ekwumekwu nka Maazị Obijiọfọ gosiri na ọ dị mkpa na mmadụ maara ntọala obodo ya, iji wee mara ebe na oge ọ ga-ekwu okwu na etu ọ ga-esi wee kwuo ya. Ọ kachasị mmadụ ikwu okwu n'etiti ndị iro ya ma ọ bụ ndị na-ekwere ya ọnya dị ka anyị hụrụ n'etiti Maazị Obijiọfọ na odogwu n'Ifite-Amaeke.

## 4. Mmechi

E si n'edemede a gbaa agwa Maazị Obijiọfọ na nka ekwumekwu ya dị ka otu n'ime ọdịnala na usoro obibi ndụ dị ọkpụ na ndụ ndị Igbo n'anwụ. Ndị Igbo mara na asụsụ, nke e ji ekwumekwu ezipụta dị asọ, nke a mere na onye bụ Ọkaokwu aghaghị ịbụ onye eziokwu an ony kwụ n'ikpe nkwụmọtọ. Ọ bụ nke a mere na ha na-akwado onye ga-abụ ọnụ okwu ha, ka ọ bụrụ onye a na-akwanyere ugwu ma na-asọpụrụ ya dị ka Ọkaokwu. Ọ bụ Ọkaokwu ka ọhaneze si n'ọnụ ya gosi ọṅụ na mmasị ha nwere n'ebe ekwumekwu na asụsụ obodo ahụ dị.

N'edemede nchọcha a e si na ya zipụta agwa Maazị Obijiọfọ dị ka Ọkaokwu, nke ji nka ikwu okwu ya eme ka e nwe ezi usoro obibi ndụ na ezi mmekọeịta mmadụ na ibe ya. Site ihe e zipụtara banyere Ọkaokwu n' edemede a, e mejupatara ebumnuche e ji bagịde edemede a, nke bụ ka e si na ya gbaa ajọ ọnọdụ mpụ na ekwughi eziokwu nke buuru oche nọrọ n'etiti ụmụ mmadụ n'oge ugbu a n'anwụ. N'ụzọ pụrụ iche ka e si na ya kwalite ma bawanye agụgụ banyere ekwumekwu na ọnọdụ Ọkaokwu na ndụ ndị Igbo. E si na nchọcha a chọpụta na nka ekwumekwu bụ nke bara nnukwu uru, n'ihi na ọ bụ igodo e ji akpọghe echiche obi mmadụ. Ọ bụ mma ihụ abụọ nke onye ji ya onwechaghị ntụkwasịobi na ya, n'ihi na o nwere ike ịzọ onye ahụ ndụ ma ọ bụ meruo ya haụ. Ọ bụ nke a mere na Ọkaokwu na-ebu agha ma na-eze ndụ, n'ihi na ndị ajọ mmadụ na-ahụ ya ka onye na agba ha mgba okpuru na onye na-aghanyere ha aja na garị.

**Akwxkwq Qhazi**


1. Ifeagwazi, C. M. (2009). The role of personality traits in negotiation, in clark, m.i. (ed.) (2009) *Peace studịes and conflict resolution in nigeria: a reader,* Ibadan: Spectrum.
2. Heidegger, M, (2001). The origịn of ihe work of art, In *Poetry Language, Thought.* Harper Pernnial. E wetara n'ọnyanwaududọ na 03/02/015.
3. Aristotle *poetics* 1 14479. E wetara n'ọnyanwaududọ na 03/02/09.
4. Dobie, A. B. (2012). *Iheory into practice: an introduction to literary criticism.* Wadsworth.

5. Kennedy, X. J., & Gioia, D. (2007). *Literatụre: an introduction to fiction, poetry, drama and writing*. Library of Congress Catalogịng-in-Publication Data.
6. Ker, D. I. (2003). *Study in african and african-american culture: ihe african novel and ihe modeernist tradịtion*. Mosuro Publishers..
7. Nze, A. I. (2005). *The igbo culture area in igbo language and cultures*). *Correct Steps in Literature: NECO and Oiher Exams*.Mick-Sus-Fav- Publishers.
8. Obidiebube, J. I. (2017). *Ndubmyen'Omumu OluasusuIgbo.* Onitsha: Auschaki.
9. Ofomata, B. (2013). *Ugonna.* Enugu: Format Publishers.
10. Okodo, I, (1992). *Ihe Study of Literary Terminology and Appreciation*. Footmarks Publications
11. Ọnwụejeọgwụ, M. A. (1981). Ibadan: Gobal Press.
12. Ọraka, L. N.(1985). *Igbo sekondiri akwụkwọ nke abụọ*. Enugu: Fourth Dimension.
13. Risatti, H. (2007). *A iheory of craft: function and aesihetic expression.* e wetara n'ọnyanwadudu na 03/02/015.
14. Ubesie, T. U. (n.d) *Ụkpana okpoko buuru.* Oxford University Press.


.

Copyright © 2024: by the author/s. This article is licensed and distributed under an Attribution-NonCommercial-ShareAlike 4.0 International (CC BY-NC-SA 4.0)